# AKỤKỌ ỤWA NDIGBO

## NKE ỌNWA ATỌ, ỤBỌCHỊ IRI ABỤỌ NA ABỤỌ

**March 22, 2016.**

## Ndọrọ Ndọrọ Ochịchị Ndi Ga-Anochite Rivers State Na House of Assembly Ma N’Abuja




Ị sọ mpị ndi ga-abanye n’ọkwa dị iche iche, ị nochite Rivers State na House of Assembly ma n’Abuja eruela n’isi njedebe. N’izu ụka gafere ka a sọrọ yabụ mpi. Ọ dị ka otu PDP bụ ndi meriri. Tupu emechapụ ị tụ vote,

onwere ndi nwụrụ n’ọgụ ndi kwadoro otu dị iche iche lụrụ mgbe a na-atụ vote. Ọ bụ ezi okwu na ndi APC na ndi PDP na-achọ ọdị mma ndi Rivers state, mana obaghị uru na ndi mmadụ kwesịrị ị nwu, n’oge a na-atụ vote.

Udo na ọganihụ ka onye ọbụla na-achọ na Rivers State. Ọ bụghị ọnwụ mmadụ ka anyị na-achọ. Akụ niile nọ na Rivers State, ọ bụrụ na e were akụ a, hazie ya ọfụma, o kwesịrị ị zu onye ọbula oke na Rivers State. N’ihi a, ka anyị ji wee agwa ndi Rivers State, sị, onye ọbụla were nwayọ n’ihe ọbụla ha na-eme. Onye ọbụla kwụrụ ndi meriri na vote atụrụ n’azụ, ka Rivers State dị mma. Learnigbolanguage.com na-ekele Gọvanọ Wike, ekelekwa Minista Chibuike Rotimi Amaechi, maka mbọ ha mmadụ abụọ na-agba maka ị weghachị udo na Rivers State.

Copyright: learnigbolanguage.com